# EBULIRI KRAIST ELU SITE N'ỊTA AHỤHỤ

### Ndi Hibru 2:1-18.

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 433

### Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'ihi na onye ọ bula nke gēme ihe Nnam Nke bi n'elu-igwe nāchọ, onye ahu bu nwa-nnem nwoke, na nwa-nnem nwayi, na nnem" (Matiu 12:50).**

Onyeozi Pọl naewepụta kwa ọzọ isiokwu ahụ bụ ndị mmụọozi n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a. Ọ naegosi kwa otú Jisọs siri dị óké ukwu karịa ndị mmụọozi, ya na óké ịdị ukwu ihe nketa nke ụmụ Chineke ndị agbapụtara gaadị karịa ihe ọ bụla ndị mmụọozi nwere.

Chineke enyewo Jisọs ike ịchị ihe niile dị nime ụwa. "Ihe nile ka I doro n'okpuru ukwu-ya abua" (Ndi Hibru 2:8). Ọ̀ bụ gịnị mere Jisọs jiri bịa n'ụwa nke a wee rapụ ụmụmmadụ ka ha kpogide Ya n'obe? Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya. "N'ihi nka ka Nnam nāhum n'anya, n'ihi na Mu Onwem nātọgbọ ndum ka M'we nara Ya ọzọ. Ọ dighi onye ọ bula nānapum ya, kama Mu onwem nātọgbọ Ya n'onwem" (Jọn 10:17, 18).

Ọ dị mkpà ka Ọ nwụọọnwụ ka o wee kwụọụgwọ mgbapụta nke mmadụ. N'ihi na Jisọs jikere wee nwụara anyị ọnwụ, anyị agaghị atakwa ahụhụ maka mmehie anyị, ma ọ bụrụ na anyị echègharịa wee rịọ Jisọs ka Ọ gbaghara anyị.

## Eze kachasi Ndị Eze Niile

Ma mgbe ngwụcha oge a bịara, mgbe Jisọs gaanata ike ọchịchị Ya, Ọ gaeweda ndị eze niile na ndị náachị n'akaike niile n'ala, Ọ gaachị kwa ụwa n'eziomume. Mmadụ niile bụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi na Ya gaeso kwa Ya chịa. O nweghị onye ajọomume maọbụ ike mmụọ ọjọọ bụla gaenwe ike iguzogide Jisọs. Ọ gaachị ndị n'erubere Ya isi n'ịhụn'anya, ma ndị niile náenupụrụ Ya isi, Ọ gaewere kwa mkpàn'aka nke igwe chịa ha. Ọbụbụọnụ dịrị ihe òkìkè ka agaewepụ ma mmadụ gaenwe kwa ike n'arụ anụọhịa niile ọzọ.

Ndị mmụọozi nwekwara ókè n'inye Iwu ahụ n'Ugwu Sainai. Iwu ahụ siri nnọọ ike na mgbe ọ bụla mmadụ dara ya, agaata ha ahụhụ. Ntaramaahụhụ ahụ siri ike nke ukwu. Enwere ike gbue ụmụ n'ihi na ha tiri nne na nna ha aka. Ịlụọlụ n'Ụbọchị Sabath nwekwara ntarama ahụhụ nke dịrị ya nke ahụ bụ ọnwụ. Ọ bụrụ na ntaramaahụhụ n'oge Iwu ahụ siri óké ike ma doo kwa anya otú a, ole otú ntaramaahụhụ ahụ ga akarị isiike n'ọgwụgwụ oge Amara anyi a, ma ọ bụrụ na anyị ajụ idebe Iwu Jisọs Onye kwụrụ óké ụgwọ n'ihi nzọpụta anyị!

Ọ bụghi náánị naaga ata ahụhụ maka nnupuisi, kama náánị ilefuruanya ijéré Onyenweanyị ozi gaeweta ahụhụ ebighịebi. Eleghịanya, mmadụ náebi ndụ ziriezi n'anya ndị agbataobi ya na ndịenyi ya, náemeghị ihe ọ bụla gaewuta ha; ma ọ bụrụ naamụghi ya ọzọ dịka Akwụkwọnsọ naakụzi, ọ ga ala n'iyi rue mgbe ebighịebi.

Nzọpụta a dị nnọọ ukwu na ndịamụma niile kwụrụokwu banyere ya. Ọ gụrụ ndị mmụọozi agụụ ileba anya na ya. Òlee otú ọ gaabụ na Jisọs gaagbapụta ụmụmmadụ? O kwenyere ịkwụụgwọ ahụ site n'ịwụsị ọbara Ya ikpuchi mmehie anyị. Ọ̀ bụ na anyị ekwesịghị inwe obi ekele n'ihe Jisọs mere? O mere ya n'ihi na Ọ hụrụ anyị n'anya mgbe anyị ka bụrị ndị mmehie. O jikeere ịnwụrụ ndị iro Ya ọnwụ.

## Izisa Oziọma

Jisọs Onweya kpọsara ozi nke nzọpụta mgbe Ọ nọ n'ụwa. Ọ sịrị: "Aghagh imu unu ọzọ" (Jọn 3:7). Ọ sịrị: "Biakutenum, unu nile ndi nādọgbu onwe-unu n'ọlu, ndi ebowo-kwara ibu di arọ, Mu onwem gēme kwa ka unu zuru ike" (Matiu 11:28). N'oge ọzọ Ọ sịkwara " Chègharianu, kwe-kwa-nu n'ozi ọma" (Mak 1:15). Tupu Ya laghachi n'Eluigwe, Ọ dọrọ ndị náesoụzọ Ya akanántị ka ha zisa Oziọma; "Ganu n'uwa nile, kwusara ihe nile ekère èkè ozi-ọma nkem. Onye nke kwere nke eme-kwa-ra ya baptizim, agāzọputa ya; ma agāma onye nke nēkwegh ikpe" (Mak 16:15, 16). Ndịozi na ọtụtụ ndị náesoụzọ Ya ñara ntị, wee jee n'ebe niile náezisa oziọma, "Onye-nwe-ayi nēso kwa ha n'ilu-ọlu, nēme

okwu ha ka o guzosie ike site n'ihe iriba-ama di iche iche nke nēso" (Mak 16:20). Ya mere, "àyi onwe-ayi gēsi aña gbanari, ma ọ buru na-ayi lefuru oké nzọputa di otú a anya?" (Ndi Hibru 2:3).

**Ịdị ala Karị a Ndị Mmụọozi**

Mgbe ọ gwasịrị anyị otú ịdị ukwu Jisọs si dị, Pọl sịrị na emere Ya ka Ọ dị ala karịa ndị mmụọ ozi. Òlee otú nke a pụrụ ịdị? Ndị mmụọozi niile nọ n'eluigwe n'egbu ikpere n'ala n'iru Ya ná asọpụkwara Ya. Ọ dịghị otù nime ha kwesịrị ịnwụrụ onye mmehie ọnwụ. Jisọs dị ala karịa ndị mmụọozi n'ihi na Ọ ghọrọ mmadụ wee taa ahụhụ ọnwụ -- kama ọ karịa náánị nwa oge.

Ọ bụrụ na Jisọs bịara n'ụdị mmụọozi, Ọ pụghi ịnwụọnwụ. Ndị mmụọozi adịghị anwụanwụ. Ya mere, Jisọs bịara dịka "nkpuru Abraham." O tolitere na Nazaret, soro ụmụntakịrị ndịọzọ gwurịa egwú, soro nna Ya lụọọlụ, mgbe O topụtachara, Ọ malitere izisa Oziọma. Ọ mara na oyi naatụ, na agụụ naagụ -- ahụhụ nke anụarụ, eji Ya mere ihe ịchịọchị, ọtụtụ n'ime ndị ezi enyi Ya na ndị èzínaụlọ Ya ekweghị kwa na Ya -- ahụhụ nke mkpụrụobi, mgbe Ọ nọ n'eluobe, Nna Ya wee wezuga iru Ya, Jisọs tiri mkpu sị, "Chinekem, Chinekem, gịnị mere iji rapu náni mu?" -- ahụhụ nke imemmụọ. Ọ gabigara óké ihe mgbu ahụ niile ka O wee bụrụ "Ọchi-agha nke nzọpụta-ha," Onye ndú ndị niile náachọ ịjé Eluigwe. O zuworị òkè, kama Ọ hụrụ ahụhụ ndị ahụ niile ka anyị we kwere na o na-aghọta mkpà niile dịrị anyị na ọchichọ anyị niile. O wee nwụọ ka O buru ntaramaahụhụ mmehie, "Ka O wee site n'amara Chineke detu ọnwu ire n'ihi madu nile ọ bula" ( Ndi Hibru 2:9 ). O mere ha niile n'ihi mụ na gị. Lee ka okwesịrị ka anyị hụ Ya n'anya!

**Ekpubere Ya Okpu Ebube**

Ndị mmụọozi bi n'Eluigwe n'eto Jisọs n'ihi ọnwụ iji onwe-Ya chụọ àjà Ọ nwụrụ. Jọn hụrụ n'ime ọhù n'agweetiti Patmos "ndi mọ-ozi ọnu-ọgugu-ha riri óké nne nke-uku, nke anapugh iguta ha," ndị were óké olu nāsi "O kwesiri, bu Nwa-aturu ahu nke egbuworo egbu, inata ike nile, na ákù, na amam-ihe, na ume na nsọpuru, na otuto, na ngozi." Nke ka nke, "m'we nu ihe nile ọ bula ekère èkè nke di n'elu-igwe, na n'elu uwa, na n'okpuru uwa na n'elu oké osimiri, ha na ihe nile di ha nime, ka ha nāsi, Ọ bu onye ahu Nke nānọkwasi n'oche-eze ahu, Ya na Nwa-aturu ahu, ka ngọzi nile na nsọpuru nile na otuto nile na ike nile diri rue mgbe nile, ebigh-ebi"(Nkpughe 5:11-13). Ọ bụrụ na anyị hụrụ Onyenweanyị n'anya n'ezie náadịkwa ndụ na Ya n'ebe a, otù ụbọchị, anyị gaesokwa óké ndị abụ̀ ahụ bụkue Jisọs, Onyemgbapụta anyị, abụ̀ otuto.

**Èzínaụlọ Nke Jisọs**

Jisọs naachọ ka esite ná ndị Ya mara Ya. Ọ hụzuru anyị n'anya na Ọ naachọ ịkpọ anyị "umu-nna." Ọ chọrọ ka anyị bụrụ mpaghara èzínaụlọ Ya. Otù mgbe Jisọs sịrị: "Onye ọ bula nke gēme ihe Nnam Nke bi n'elu-igwe nāchọ, onye ahu bu nwa-nnem nwoke, na nwa-nnem nwayi, na nnem" (Matiu 12:50). Akpọkwara anyị ụmụ Ya n'ihi na amụwo anyị site na Chineke, ma " ọ buru na ayi bu umu, ayi bu kwa ndi-nketa; ndi-nketa nke Chineke, na ndi ha na Kraist nēkekọ; ma ọ buru na ọ bu ezie na ayi na Ya nahukọ ahuhu, ka ewe nyekọ kwa ayi na Ya otuto" (Ndi Rom 8:17).

Ka anyị wee nwereike ịnọ n'èzínaụlọ Jisọs anyị aghaghị ịbụ náánị ndị azọpụtara, kama anyị gaabụkwa ndị edoronsọ. Jisus bụ Onye na-edo ayị nsọ, n'ihi na "ma Onye nēdo ha nsọ ma ndi anēdo nsọ, ha nile sitere n'otù Nna: Ọ bu kwa n'ihi ihe a ka ihere ikpọ ha umu-nna-Ya adigh-eme Ya" (Ndi Hibru 2:11). Chineke dị nsọ, ọ bụrụ kwa na anyị bụ ndị èzínaụlọ Ya, anyị aghaghị ịdi kwa nsọ. Mgbe azọpụtasịrị anyị, gbaghachara anyị mmehie anyị, anyị pụrụ ịbamị site n'iji ndụ anyị chụọ àjà, kwere na Chineke gaenye anyị onyinye amara ahụ bụ odudonsọ. Mgbe O nyere ya anyị, Ọ naeme ka anyị mara na emewo ka anyị dị ọcha site n'Ọbara Jisọs.

Èzínaụlọ Chineke, ndị nke Kraist amụrụ ọzọ doo kwa nsọ, naañụrị ná mmekọrịta ha na ibe ha, náenwe mmetuta nke ịhụn'anya Chinke na arụ ha dịka Nna nye ụmụ ya. Ọ gaghị ara anyi aka maọlị. Ọ gaghi arapụ kwa anyị maọlị.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere Jisọs jiri nwụọ?
2. Òlee mgbe Jisọs gaabụ Eze kachasị ndị eze nIile?
3. Òlee otú ikpé n'oge nke Iwu jiri sie óké ike karịa?
4. Gịnị bụ ụfọdu nime ozi Jisọs zisara mgbe O biri n'ụwa?
5. N'ụzọ nghọta di aña ka emere ka Jisọs dị ala karịa ndị mmụọozi?
6. Gụpụta ụzọ ụfọdụ Jisọs jiri taa ahụhụ?
7. Gịnị mere ọtutụ puku ndị mmụọozi jiri bụọ "Ikwesiri nwa-

   Aturu"?
8. Ònye bụ "nwa-nne nwoke, nwa-nne nwayi, na Nne" nke Jisọs?